## Egwuregwu Igbo Abụọ

### Maka onye deziri akwụkwọ a

Onye dezịrị egwuregwu Igbo abụọ ndị dị n'akwụkwọ a bụ Mazị Bertram Iwuawa Nkemgemedi Osuagwụ. A mụrụ ya n'Ezióme Mbieri nke dị n'okpuru Mbaitoli/Ikeduru nọ nso Owerri. Ọ jere akwụkwọ na Central School Mbieri. Ọ jekwara St. Augustine's Grammar School Nkwerre, St. John's College, Diobu, Port Harcourt na University of Nigeria, Nsukka. Ọ pụtara n'afọ 1965.

Mazị Osuagwụ ahụla maka ide na idezi ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ dị ebe a na-amụ Asụsụ na Omenala Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị elu nke dị n'Alvan Ikoku College of Education, Owerri (1974). Ọ na-akụzikwa ebe ahụ.

Mazị Osuagwụ bụ Odeko akwụkwọ ego nke Otu Iwetite Asụsụ na Omenala Igbo nke Nigeria.

Mazị Osuagwụ ahụla maka ide na idezi ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche ịnyere:

*Mbieri Chronicle* (1965), *Egbu Star* (1966), *Igbo Ga-Adị* (1975–77). Akwụkwọ ndị ọzọ bụ *Ọgụgụ Igbo 3–6*, Macmillan Nigeria Publishers Ltd (1974–1977) ndị ya na Chief S. M. Ahamba na Proofesọ Nwoga dere na *Nwaanyi Bụ Ezi*, Varsity Press 1977.

Macmillan Nigeria
ISBN 978 132 280 2


# EGWUREGWU IGBO ABỤỌ: AKỤỤWA NA ỤKA A KPARA AKPA



NZE NA ỌZỌ

B.I.N. Osuagwụ






# Egwuregwu Igbo Abụọ:

# AKỤỤWA

## na

# ỤKA A KPARA AKPA

Nke e deziri site n'aka


Mazị Bertram I. N. Osuagwụ

*Alvan Ikoku College of Education*

*Owerri*


With the Compliments of
Macmillan Nigeria Publishers
P.M.B. 1551, Enugu.

N.C. Aniagol
24/8/79


Macmillan
Nigeria

© B. I. N. Osuagwu 1977

*All rights reserved. No part of this publication may be reproduced or transmitted, in any form or by any means, without permission.*

First published 1978

Published by
MACMILLAN NIGERIA PUBLISHERS LTD
Ilupeju Industrial Estate
P.O. Box 264, Yaba, Lagos
P.O. Box 1463, Ibadan
P.O. Box 390, Onitsha

Companies and representatives throughout the world

ISBN 978–132–280–2

Filmset in Great Britain by
Northumberland Press Ltd, Gateshead, Tyne and Wear

# OKWU MMALITE

O nwee ihe bụ nhịahụ dị n'Igbo ugbu a ma ọ bụ akwụkwọ kọrọ ụkọ nke na–enwebeghị ọtụtụ ya, ọ bụ akwụkwọ Egwuregwu Igbo. Ọ bụ eziokwu na e nweela nke mbụ a na–akpọ 'Udo ka mma', nwee otu nke nta e dere n'ọkpọọchị okwu Owere a na–akpo 'Ụmụ Ejima', mana a gụsịa ha abụọ ọ dịkwaghị ọzọ. E leghị anya n'oge dị n'ihu ọtụtụ ndị ọzọ ga–apụta.

Ihe dị otu a mere ka m ji mee ka ụmụ ndị m na–akụziri maka Egwuregwu Igbo, tụkọta aro, dekọta isi otu ebe ma deekwa egwu–regwu ndị a nọ n'akwụkwọ a. Ọ bụghị na egwuregwu ndị a ga–abụ njedebe egwuregwu Igbo ma elebara m ha anya hụ na e bipụta ha ọ ga–eme ka e nwee ụbara akwụkwọ ụdị a meekwa ka ọtụtụ ndị ọzọ gbaa mbọ nanị ha ma ọ bụ chikọọ isi wee dee ndị ọzọ. Nke a ga–eme ka ihe a na–ahụ n'asụsụ ndị ọzọ nweekwa ọnọdụ ha n'asụsụ Igbo n'ihina a sị na nwata na–añụrị na ndị ahịa na–alọta n'ihi na nne ya so ebe ahụ; e wezụga ya ndị ọzọ bụ ndị ahịa ndị ahịa.

Egwuregwu ndị a ga–abụ ihe nñomi n'ebe ndị ọzọ nọ gosikwa na ana–enwe mgbalị dị otu a na ihe dọlara asụsụ Igbo na omenala ya ike azụ ga–emesia mee ya ka o welisie isi ya elu nke ọma. Akwụkwọ Egwuregwu Igbo bụ ubi ọhụụ, onye ma nke ọ ma kọọ n'ubi a ka a chọta ka ọ ga–esi ru.

1977 B. I. N. Osuagwụ

# NKỌWAPỤTA

## Akụụwa

Egwuregwu nke mbụ a bụ Akụụwa na–akọ maka ihe na–eme ugbu a gbasara Ụka dị iche na–epupụta dị ka ero, ya na omume 'ọma' ndị isi ha dị ka Akụụwa na–eme. A ghọgbukata onye nzuzu ya amara ihe. Ọ bụkwanụ oke nọ n'ụlọ gwara oke nọ n'ọhịa na ịkpọ ogiri dị na ngịga. Sobe ihe m na–ekwu ma gị esola omume m bụ ihe ọjọọ. Ọ bụ ihe ọjọọ ebe mmadụ nkịtị nọ ma ọ ka njọ n'ebe onye isi Ụka nọ.

N'ezie, akụ nke ụwa bụ ihe efu. Nchọta ya kwesịrị ka o nwee ugwu otu ọrụ o kwesịrị ịrụ sị ka mma ka ọ bụrụ ọrụ ihụnanya. Ma ịkpa akụ nke ụwa n'ụzọ n'ụzọ ọ bụla bụ ihe ọjọọ. Ọ bụkarị ihe ọjọọ ma ọ bụrụ na ndụ onye na–achụ akụ nke ụwa a eweghị udo. Ihe dị otu a na–ebute mbibi aha na ndụ ọjọọ nke ọgwụgwụ ya bụ ịla n'iyi.

N'egwuregwu Akụụwa, otu nwoke aha ya bụkwa Akụụwa enwetaghị ahụ udo n'ebe nile ọ rụrụ ọrụ, ma n'ọrụ nkuzi, ma n'ọrụ Kọmpịnị, n'ihi oke ọchịchọ, anya ukwu na ihe ụtọ nke ụwa. Ọ bụnadi mgbe o weere onwe ya dị ka onye isi Ụka Mmụọ Nsọ, anya ya apụghị na ndụ ochie ya. A sị na ihe na–esi nkapị isi dị ya n'ime ahụ, ọ bụrụ na ọ dị ya n'elu ahụ mmiri gaararịị ịmachapụ ya. Gụọ Akwụkwọ Egwuregwu a, chọpụta ụdị ndụ Akụụwa biri na ebe ọ dụdebere ya.

Ọ bụ Oriakụ Constance Nlemadim, Mazị Harold Ewelụkwa na Añụnobi Okezie dere ya.

## Ụka A Kpara Akpa

Egwuregwu nke abụọ bụ Ụka A Kpara Akpa na–egosi ihụnanya nke dị n'etiti ụmụaka abụọ bụ Ibe na Ugomma. Ihụnanya ụmụaka a malitere mgbe ha ka nọ na kọleji bugide ha na–agbanyegị ekweghị ekwe nke nna Ibe ruo na ha abụọ emezuo nkwa ha wee lụọ di na nwunye. Ọ ga–abụrụ ụmụ okorobịa na agbọghọbịa ihe nlere anya ịma ma ụdị omume ahụ ọ ga–ekwekwa ha mee.

Ọ bụ Mazị Basil Joe Nwakụba dere egwuregwu a.

# AKỤỤWA

# NDỊ SO N'EGWUREGWU A

| | |
|---|---|
| **Akụụwa** ... ... ... | Onye isi Ụka Mmụọ Nsọ |
| **Sera** ... ... ... ... | Nwunye Akụụwa |
| **Ibe** ... ... ... ... | Nwa odibo ha. |
| **Ekwekwe**<br>**Arịnze** ...<br>**Ụkọha** ...<br>**Nnọdị** } ... ... ... | Ndị Okenye Ụka Mmụọ Nsọ.<br>Ha gbara izu megide Akụụwa. |
| **Nwugo** ... ... ... ... | Nwunye Ekwekwe. |
| **Ụkandụ** ... ... ... ... | Onye ọhụ ụzọ. |
| **Onye Ozi** ... ... ... | Onye na–akwadebe ụlọ ekpere. |
| **Majistret** ... ... ... | Onye isi ụlọ ikpe. |
| **Kọt Klak** ... ... ... | Ode akwụkwọ ụlọ ikpe. |
| **Polis** ... ... ... ... | Onye na–ahụ na mkpọtụ adịghị |
| **Kọpụl Ọkafọ** ... ... ... | Onye jidere ndị lụrụ ọgụ |
| **Ndị Ụka** ... ... ... ... | Ndị ọzọ bịara ekpere. |
| **Onye Mbụ**<br>**Onye Abụọ**<br>**Onye Atọ**<br>**Onye Anọ** } ... ... ... | Ndị obodo |
| **Irechi** ... ... ... ... | |
| **Amadị** ... ... ... ... | |

# EMUME MBỤ

(*N'ụlọ onye amụma. N'ụtụtụ, Akụụwa si n'ụra teta, na–ata atụ ụtụtụ. Sera nwunye ya wee bata; ha malite kparịwa maka ụka ha ga–eje n'ụtụtụ ahụ*).

**Akụụwa:** (*Maa nnukwu ọsọ*) Ekpere nke taa . . .
**Sera:** Ekpere nke taa, o mere gịnị?
**Akụụwa:** Serah nwunye m
Otu mkpụrụ ike adịghị m taa.
Ọ bụrụ na ọ bụghị
Aka akpataghị ma ọnụ agaghị eri
Agara m asị ka m zuo ike taa.
**Sera:** Nna anyị ukwu; ị na–ezu ike
Na anyị abaala ka ọ bụ gịnị?
Ị makwa na nti anaghị ezu ike
Ma ihe ọ na–ata agwụghị?
Ume ngwụ a ọ bịakwala ọzọ?
Ọ bụkwa ume ngwụ mere
E ji chụọ gị n'ọrụ Kọmpịnị!
**Akụụwa:** Oge nile ị na–ekwu
Ume ngwụ, ume ngwụ
Kwuokwanụ ihe ị maara.
Ọ bụkwa agwala m gị na ọ bụ
Ebubo ụgha Ahụmibe boro m,
Sị na m riri ngarị
Mere ha jiri chụọ m n'ọrụ.
Achọghị m ịnụ ụdị okwu a
N'ọnụ gị ọzọ.
(*Ọ gbachi nkịtị nwantịntị oge*)
Ibe! Ibe!!
**Ibe:** (*Gbabata*) Abịala m.
**Akụụwa:** O nwere ndị sị na ha ga–abịa
Tupu e bido ụka
Ka e kpeere ha ekpere.
Gaa lee ma ha abịala.
(*Ibe wee gbapụ*)
**Sera:** Olee ndị bụ ndị ahụ

Ị na–atụ anya ha iche?
Gaakwanụ saa ahụ
Ka ị kwado gawa.

**Akụụwa** Nwanyị, hapụ m aka.
A na–agba ọsọ aracha mkpịsị aka,
A ga–afanye ya n'uko?

**Sera:** M gwa gị okwu ịsa ahụ a ọzọ
Mara na ọ bụghị Okonkwọ mụrụ m.

**Akụụwa:** E tinyerela m mmiri ịsa ahụ?
(*O wee kulie ije saa ahụ Ibe wee bata*)
Ibe, ha abịala?

**Ibe:** Saa!
Adamma na nwa nne ya nke nta
nọ ebe ahụ. O teelarị ha bịara.

**Akụụwa:** Ezi okwu! Gaa ngwa ngwa
Chịtara m uwe ekpere m.
(*Ibe wee baa n'ụlọ ịchịta uwe*)

**Sera:** Onye bụ Adamma na–eche gị
nke isi ụtụtụ a? Nke mere
Na ị gaghị asa ahụ ụtụtụ?

(*Akụụwa atụpụrụghị ya ọnụ. Ibe abata chịnyewe ya uwe. Sera agbasie ike pụchara ya akwa ahụ. Ibe were nwayọọ mịpụa*)

Ọ bụ na ị nụghị
Ajụjụ a m na–ajụ gị?
Ya bụ na ị maghị
Onye Adamma bụ?
Adamma! Adamma!
Adamma agụba ya dị nkọ
N'ịkpụ ụmụ nwoke isi.
H e e i! Biko ị sị na gị na
Adamma ji gịnị?

**Akụụwa:** Sera, nwanyị ọma m (*N'obi nlọ*)
Ọ bụzịkwa gị na–ekwu otu a.
Ọ bụ na ị chefuola
Ihe e dere n'Akwụkwọ Nsọ.

**Sera:** Gịnị ka e dere n'Akwụkwọ Nsọ?
Akwụkwọ Nsọ, ọ sị gị nụ
Na Adamma bịara
Gị asala ahụ ụtụtụ?



**Akụụwa:** Ọ bụ na ị chefuola
Ihe e dere n'Akwụkwọ Nsọ
Ebe Kraist sịrị
Na ya bịara n'ihi ndị mmehie
Na ọ bụghị n'ihi ndị ezi omume;
Ọ sịkwa na mkpa dibịa
Anaghị akpa onye ahụ dị mma.
Ọ bụ ekpere ka ọ chọrọ
Ka m kpeere ya.

**Sera:** Nnụnụ na–abụ o bee
Mmadụ anwụọ
Ebewekwala ọzọ.
Ọnwụ ga–egbu nwa nkịta
Ọ naghị ekwe ya nụ isi nsị;
Ihe ụmụ agbọghọ uri ọnụ,
Mere gị n'ọrụ nkuzi
Akụziberela gị uche?
Hie aka n'anya
Cheere onwe gị echiche.
Uwa dị egwu.

**Akụụwa:** (*N'olu nwayọọ*) Sera! Ekwekwalanụ
Ka ndị iro nụ
Ihe a ị na–ekwu
Zoonụ m
Ka ụgbọgụrụ zoro anyụ.
Ọ bụ na ị nwebeghị ntụkwasị obi
Na ebe anyị barala n'ime Chineke
Na ndụ m agbanwoola?
O zuola.
Ka m gaa saa ahụ
Ma okwu esela. (*O wee bilie gawa ịsa ahụ*)

**Sera:** (*Nọdụ, na–elepụ anya, na–eche ihe ya na chi ya ga–eme*).
E e w u u! Kedụ ụdị di
M lụtara ihe a?
Onye ka ihe ga–eme mbụ
Mee abụọ
Ọ gaghị eji ya mụta akọ?
A gbaa mbụ ọ tụ n'ogwe
A gbaa abụọ ọ tụ n'ogwe
Ọ bụ ogwe ka a pịịrị akụ?
N'ime afọ abụọ ọ rụrụ ọrụ nkuzi

Nanị ihe ọ na–eme bụ
Isogharị ụmụ nwanyị
Ka ụgbala si esogharị ehi
Ọ bịgidere udị ndụ a
Wee tụwa nwunye Aghaụlọ ime
E wee chụọ ya.
Aga´m akọ ole ghara ibe ya?
Ọ bụ ije abalị ọ na–eje
Mgbe ọ na–arụ ọrụ Kọmpịnị?
Ka ọ bụ ịñụbiga mmanya oke
O ji añụnye onwe ya nzuzu n'ahụ?
Mgbe anyị bidoro ụka ekpere a
Ekelere m Chukwu
Na ihe nile adịla mma.
Ma ugbu a; H e w u u! Ma ugbu a
Ana m achọpụta na
Ihe na–esi nkapị isi
Dị ya n'ime ahụ;
Ọ bụrụ na ọ dị ya n'elu ahụ,
Mmiri gaara ịsachapụ ya.
Ọ dị mma,
Ka m lewenụ ya na Adamma.
*(O bilie pụọ n'iwe)*

**Ọkụ Wee Nyụọ**



# EMUME ABỤỌ

*N'ụlọ Ekpere. Adamma nọ na–agụ Akwụkwọ Nsọ. Onye ozi nọkwa na–edozi ụlọ ekpere, na–amụnye kandụl weta obe na mmiri nsọ dote. Ọ mụnyekwara insensị, anwụrụ ọkụ ya ju ebe nile; ndị ekpere malite batawa otu otu; onye batawa, o yipụ akpụkpọ ụkwụ ya n'ọnụ ụzọ. Onye ọ bụla yi uwe mwụda ọcha. Onye bata, o gbudo ikpere n'ala kpee ekpere tupu o were oche.*

**Onye Ozi:** Alịlo o o!
**Ndị Ụka:** Alịloya.
**Onye Ozi:** Alịlo o o!
**Ndị Ụka:** Alịloya.
**Onye Ozi:** Ho o o!
**Ndị Ụka:** Hozana.
**Onye Ozi:** Ho o o!
**Ndị Ụka:** Hozana.
**Onye Ozi:** 'Praise the Lord'!
**Ndị Ụka:** Amen.
**Onye Ozi:** 'Praise the Lord'!
**Ndị Ụka:** Amen.
**Onye Ozi:** *(Wee bido ukwe. Ekwe na ịgba na–ada. Ndị na–akụ aka na–akụ kwa).*
Ọ ga–asọ m
Ka m bụrụ enyi Jizọs
Ka m bụrụ enyi Jizọs
Ka m bụrụ enyi Ya e e.
Ọ ga–asọ m
Ka m bụrụ enyi Jizọs . . .

*(Ha kwechaa nke a, ha ekweekwa ọzọ; mgbe ha na–ekwe nke ikpe azụ, Akụụwa, onye amụma, ga–abata).*

**Akụụwa:** Alịlo o o!
**Ndị Ụka:** Alịloya.
**Akụụwa:** Alịlo o o!
**Ndị Ụka:** Alịloya.
**Akụụwa:** Ka anyị kpeere Chineke. N'aha Jizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.

**Akụụwa:** N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** Chineke nke Ebraham, Aịzik na Jekọb;
Chineke nke Shedrak, Mịshak na Abadinego;
Chineke nke Daniel, Devid na Dọkas;
Chineke nke Moziz, Miriam na Erọn.
Chineke ụmụ Izrel,
Ugwu a na–arị atụ egwu,
Oke nkume nke nzọpụta
A ma ama amacha amacha,
Ọ za mgbe a na–akpọku Ya.
Olee ihe kọrọ Gị?
Onye nwe igwe na ala.
Ndị ochie nile rịọrọ Gị,
I mezuoro ha.
Ọ ga–eru n'oge nke anyị
Ị hapụ imezuru anyị?
**Ndị Ụka:** Jeeso mbaa!
**Akụụwa:** Biko bịa mezuoro anyị
Ihe nile anyị na–arịọ.
**Ndị Ụka:** A a amen
**Akụụwa** Nye anyị ogologo ndụ,
Nye anyị akụ na ụba,
Ọ bụ Gị dotere anyị n'ime ụwa a,
Sị anyị lekwa ihe nile dị ya.
Onye nwe anyị, nye anyị
Ụlọ elu, moto, ego, ụba mmadụ;
Kwee ka ndị isi anyị nwee mọto
Dị ka ndị isi ụka Fada, Siemens,
Metọdist na ụka ndị ọzọ;
Ka moto na–adị n'ezí, ebe nile,
Mgbe ụmụ Gị bịara ikpere Gị
Dị ka n'ụlọ ụka ndị ọzọ;
Ka e wee ghara ịkpọ anyị
'Chịọchị ndị agụụ'.
Onye ọ dịghị ihe o nwere,
Ka o nwee basịkụl;
Ka Prọfet na–agba moto,
Ndị ozi, moto saịkụl;



Kwee ka ndị ukwu nile
Bi n'ala Ekeọjị a bịachaa
Gbuoro Gị ikpere n'ụlọ ụka a
Ka anyị wee nweta ego
A ga–eji rụọrọ Gị ụlọ ukwu
Kachasị ụlọ n'Ekeọjị.
N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** Wepụrụ anyị ọnwụnwa n'ụzọ nile,
Ma nye anyị ike
Ka anyị merie ndị iro anyị,
N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** Ọ dị onye hụrụ ohụ ọ bụla?
**Ụkandụ:** N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka** A a amen.
**Ụkandụ:** N'ihu Chineke na mmadụ,
Ihe m ga–ekwu bụ ihe m hụrụ.
Mgbe a na–ekpe ekpere,
Ahụrụ m otu onye kpuchiri ihu ya,
Amataghị m onye ọ bụ;
Ọ bịara dọwaa akwa ọcha a,
Were otu ọkara ya gbapụ.
**Onye Ozi:** Chineke! Nara ekwensu ike!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Onye Ozi:** Ekwensu daa osimiri!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Onye Ozi:** Chineke! Nara ekwensu ike.
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Sera:** N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Sera:** N'ihu Chineke na mmadụ,
Ihe a m ga–ekwu bụ ihe m hụrụ.
Ahụrụ m Adamma
Ka ọ na–awagharị n'ubi ndị mmadụ.
Na–aghọ mkpụrụ ọ bụla dị ya mma,
N'agbanyeghị ndị nwe ubi;
O si n'ubi otu onye, ọ banye
N'ubi onye nke ọzọ
'Adamma, n'ubi onye ị nọ ugbu a,
Ahụrụ m nnukwu olulu

Ka ọ dị n'ihu gị',
'Kwụrụ! Adamma kwụrụ! Azọghakwala,
Ihi na ị zọghaa ụkwụ,
Ị dabaa na nnukwu olulu dị egwu'.
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ụka:** A a amen.

**Sera:** Adamma ga–ebu ọnụ abalị asaa.
Ọ ga–eweta kandụl asaa,
Nke a ga–eji na–ekpere ya ekpere
Ruo ngwụcha abalị asaa ahụ.

**Akụụwa:** Alịlo o!

**Ndị Ụka:** Alịloya.

**Akụụwa:** Alịlo o o!

**Ndị Ụka:** Alịloya.

**Akụụwa:** Alịlo o o!

**Ndị Ụka:** Alịloya.

**Akụụwa:** N'ihu Chineke na mmadụ
Ihe a m ga–ekwu bụ ihe m hụrụ.
Ahụrụ obodo Naịjirịa ebe a kpụrụ ya akpụ
A gwakọtara uzuzu, ụrọ na unyi
Wee kpụọ ya.
O buru ibu nke ukwu ma dịkwa
Pekepeke. Otu akatamkpo mmadụ
Wee pụta, buru ya tụọ n'ala;
O wee gbajisie ka nzu.
Iberibe iri na itolu ka m gụtara ya,
O wee pụọ m n'anya.
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ụka:** A a amen.

**Akụụwa:** Ihu ọzọ m hụrụ yiri ihu Brọda Jud.
Ahụrụ ya ka ọ nọ n'ute kara nka,
A sara n'ala; ihu ya gbarụrụ agbarụ.
Otu nwoke wee pụta bulite ya elu,
Buru ya gaa dowe n'elu nnukwu oche,
A rụziri nke ọma, chọọkwa ya mma.
Ọ bụzị ọrụ dịrị anyị na Brọda Jud
Ikpesi ekpere ike
Ka ọhụ a bụrụ ọhụ ọma,
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ụka:** A a amen.

**Akụụwa:** Alịlo o o!



**Ndị Ụka:** Alịloya.

**Akụụwa:** Ndị nile a hụụrụ ọhụ pụta
Ka e kpeere ha ekpere.
Ọ bụkwa ihe inye Chineke otuto
Na Sera nwunye m malitere taa,
Hụwa ọhụ.
*(Ndị a nile ga–agbago n'ihu ọlta sekpuruchaa ala.)*
Alịlo o o!

**Ndị Ụka:** Alịloya a.

**Akụụwa:** Chineke nke Ebraham na Aịzik,
Chineke nke Jekọb na Devid.
Isi iyi na–awụcha obi,
Ọ za mgbe a na–akpọku ya
A ma ama amacha amacha
O mepụrụ nwa mgbeyi,
Biko, bịa nụrụ olu anyị o.
Onye nwe anyị, anyị anụla ihe mkpughe
I kpugheere anyị
Site n'aka Ụkandụ
Anyị na–arịọ Gị ka I were amara Gị
Mee ka ekwensu ghara ịbata
N'ọgbakọ ụmụ Gị.
Were ike Gị kụnyụọ ike ekwensu.

**Ndị Ụka:** A a amen.

**Akụụwa:** Were ike Gị kụnyụọ ike ekwensu.

**Ndị Ụka:** A a amen.

**Akụụwa:** Were ike Gị kụnyụọ ike ekwensu.

**Ndị Ụka:** A a amen.

**Akụụwa:** Onye nwe anyị; igbo mkpa mmụọ nsọ
Dị mkpa, dịkwara Gị,
Ma igbo mkpa anụ ahụ dịịrị mmadụ
Ọkọ kọwa anụ ọhịa ọ gawa n'ukwu
Osisi, ma ọ kọwa mmadụ,
Mmadụ ibe ya akọọ ya.
Adamma bụ orụ Gị nwanyị, n'ihi ya
Ekwela ka ọ dabaa n'olulu
Nwunye m gwuru . . . e – e . . . hụrụ
N'ihu ya. Zi ya ụzọ ọ ga–esi
Zonahụ ndị iro ya,
N'aha Jiizọs.

**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** Onye nwe anyị; nwunye m Sera
Malitere taa hụwa ọhụ;
Ọ bụ ihe inye Gị otuto
Na Ị meghere anya ya
Site n'ahụ Adamma; o wee hụ ọhụ.
Otuto diri Gị!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** Onye nwe anyị, ka e mee uche Gị
N'ebe obodo ukwu a bụ Naịjiria dị
N'aha Jiizọs!
**Ndị Ụka:** A a amen.
**Akụụwa:** Alịlo o o!
**Ndị Ụka:** Alịloya.
**Akụụwa:** Ho o o!
**Ndị Ụka:** Hozana (*Ndị e kpeere ekpere alaghachi n'oche ha*)
**Akụụwa:** Onye nwe anyị nọnyere unu nile.
**Ndị Ụka:** Ka Ọ nọnyekwara mmụọ nke gị.

**Ọkụ Wee Nyụọ**



# EMUME ATỌ

(*N'ụlọ Ekwekwe. Ekwekwe nọ n'ụlọ ya na-agụ Akwụkwọ Nsọ. Nnọdị batara, o welite isi sị ya 'Nnọdị nnọọ', kpudokwa ihu n'akwụkwọ ọ na-agụ. Ugegbe anya o yi dabeere n'elu okpu imi ya dị ka nke ndị ochie kọmiti*).

**Nnọdị:** Ekwekwe, nke a m bịara n'ụlọ gị,
I mee anya ka ị hụghị m,
Udo ọ dịkwa; ka Akwụkwọ Nsọ ị na-agụ
O meela gị onye nọrọ otu ebe
Uche ya anọrọ ebe ọzọ?
**Ekwekwe:** (*Maa ọsọ, tụgharịa chee Nnọdị ihu*)
Ewela oke iwe nwanna m nwoke.
A sị na a bịa n'ụlọ onye na-eme nka,
Ọ dị ka ọ na-adụ ihu.
Ọ dị okwu diịrị mụ na gị mbụ?
Ọ bụ ihe mere ede n'ukwu,
O jiri bee nwịịị.
Awọ anaghị agba ọsọ ehihe n'efu.
**Nnọdị:** (*Na mgbagwoju anya*): Ọ bụ gịnị mere?
Amaara m nke ọma na ọ bughị otu a
Ka i si eme na mbụ
Oge m batara
Ka m lere gị anya n'ihu,
Wee chọpụta na ihe adịchaghị
Otu ọ na-adị.
Udo, ọ dịkwa n'ezi na ụlọ gị?
Ka ọrịa ahụ na-enye Sera nsogbu
O bidokwala ọzọ?
**Ekwekwe:** Nnọdị, enyi m nwoke,
O nweghị nsogbu ọ bụla dị n'ezi na ụlọ m;
Kama na ị maara na
Ụkwụ na-aga warawara na-aga,
Anya na-ele maramara ana-eso ya.

(*Ọ kpọọ nwunye ya, Nwugo; ọ nọrọ n'azụ ụlọ zaa; ọ sị ya weta ọjị*).

**Nnọdị:** Ekwekwe, ilu ndị a ị na–atụ taa
Abachaghị m anya.
Onye tụrụ ikoro waa ya eze, n'ihi na . . .
(*Nwugo buru ọjị bata*)

**Nwugo:** (*Gbue ikpere bunye di ya ọjị*)
Brọda Nnọdị, ị bịala?
Ezi na ụlọ gị kwanụ?
Eji m aka na ahụ dị Sisita anyị
Na ụmụ ntakịrị ya?

**Nnọdị:** Nsogbu adịghị.
Nanị ihe anyị na–arịa bụ agụụ.

**Nwugo:** Agụụ bụ obere okwu ebe ahụ ike dị.
Onye ndụ ya zụru oke
Olile anya ya bara ụba
Onye nwe anyị ga–enye aka weta
Ihe a ga–eji zụ ndụ o nyere anyị
Ọ sị anyị hapụ iche maka echi,
N'ihi na echi ga–echere onwe ya.

**Nnọdị:** Ọ bụ ihe mere eme Sisita m.
Ụmụ gị kwanụ?
Ama m na ahụ sichara ha ike?

**Nwugo:** Ha apụtachaalanọọ.

**Nnọdị:** Otuto dịrị Jesu.

**Nwugo:** Amen (*O wee puọ*).

**Ekwekwe:** Ọ dịghị a bụ e bute oji e bute okwu.
Nnọdị, ọjị abịala.

(*O wee cheere ya ọjị n'ihu. Oge ọ na–eme nke a, Ụkọha na Arịnze wee kụa aka n'ụzọ.*)

10/23

**Ekwekwe:** Onye na–akụ n'ụzọ batawa o!
(*Ha wee bata*).
O o o, Ụkọha! Unu abịala?
Arinze, ọ dịzị ka a kara aka
Oche dịnụ.
Ụkwụ unu amaka.
Unu ahụlanụ ọjị anyị bu n'aka.
Nke a gosịrị na unu na–eho anyị aha ọma.
(*O bunye Ụkọha ọjị*)

**Ụkọha:** Ọ bụ ihe mere eme.
Nwa nna m, leenụ (*O bunye Arịnze ọjị*)



**Arịnze:** Ọjị amaka.
Ọjị eze abịaghachịrịla eze (*O bunye Ekwekwe*)

**Ekwekwe:** Chineke anyị ekelee Gị na
I dowere anyị ndụ ruo taa.
Ihe ọma na ahụ ike ka anyị na–arịọ.
Onye sị na anyị chue na anyị agaghị eri,
Ya buru ọkụkụ ụzọ lakpuo ụra.
Onye rụọ ya rie.
Ofọ na ogu ka anyị jinuo–o!
Biko, bịa gọziere anyị ọjị a
N'aha Jiizọs bụ onye nwe anyị.

**Ndị Ọzọ:** A ami o!

**Nnọdị:** Elegharịala m anya hụ na
Ọ bụ anyị, anyị nọ ebe a
Ndị be anyị sị na a nọkọọ
Ka a ha eri udele
A tọtuo ngiga.
Ọ dịghị ka okwu anyị kpụ n'ọnụ
Tupu (*o lee Arịnze na Ụkọha anya*) unu abata
Bụ ihe nzuzo ebe unu nọ.

**Ekwekwe:** (*Kwacharịa, lesasịa anya ka onye na–achọ ihe*)
Ụmụnna m, nnọọnụ.
Ihe Nnọdị kwuru bụ ihe mere eme.
O teela m ji eche
Otu m si ga–akpọkọta unu ọnụ
N'ihi na a hụ anya,
Ihe anaghị eme.
Ugbu a ahụrụ m na ọ bụ
Uche Chukwu ime ka anyị nile
Zukọọ n'oge a.
A sị na a gbawọọ dike izu
A gbaa ya ugboro abụọ.
(*Ọ gbachi nkịtị nwa ntịntị oge, lee duu*)
Nnọdị, ị na–ajụ otu ihu dị m
Mgbe ị batara.
Ọ dịghị m ka o nwere onye
N'ime unu na–eche echiche
Banyere otu Ụka anyị a si aga
Na otu Akụụwa si akpaso anyị agwa.
Ọ dị ka ehịhie bụ ụdị ndụ
Nwoke a narịị adị tupu ọ malite

Ọrụ Ụka a ọ nọ na ya ugbu a.
Anyị nile chere na ọ gbanwoola.
Ma omume ọ na–eme oge ụfọdụ
Gosịrị na otu mmiri hụrụ ya mawa
Nwa ọgazị, akịka ya ga–adịrịrị.
Unu maara nke ọma na
Onye nọ n'ụdị ọnọdụ ya ugbu a
Kwesịrị ịbụ onye nsọ
Onye na–edebe onwe ya ọcha
Ma n'ime mmụọ, ma n'anụ ahụ.
Onye ọ bụla nwere anya dịnta
Jị ahụ anụ, ga–ahụ
Ihe na–eme n'ụlọ Ụka anyị a,
Matakwa na o nwere ihe nzuzo
Jikọrọ Akụụwa na Adamma.

**Ụkọha:** Ezi okwu dị n'ihe a Ekwekwe kwuru.
Amaghị m na o nwere
Onye ọzọ na–ahụ ihe m na–ahụ.

**Arịnze:** Nke Adamma bụ obere okwu.
(*O wee sụa h . . . m . . . m*)
Di ochi anaghị akọcha
Ihe ọ hụrụ n'elu nkwụ.

**Ekwekwe:** Onyinye a na–enye n'ụlọ Ụka anyị,
Anyị anaghị ama ihe gbasara ya.
Ihe onyinye anyị na–atụkọta n'onwe anyị
Na nke sị mba ọzọ abịa
Unu maara ka ha si aga?
(*Ha lerịta onwe ha anya, hihie isi*)
Asị m unu kọọrọ m ka ha si aga.
Unu maara na ọ na–arụ ụlọ elu
N'obodo ya, bụ Ndịakọ ugbu a?
(*Ha nile kụjasịa*)

**Nnọdị:** Ekwekwe, ihe a ị na–ekwu
Ọ bụ eziokwu, ka i ji akpa ọchị?

**Ụkọha:** Agaara m pụta otu ụbọchị,
Ya na otu nwoke nọ na–ekwu n'olu nwayọọ.
Anụchatara m ka ha
Na–ehota akpa simenti, aja,
Blọk, plankị na gbamgbam, aha.
Ọnwa atọ ya dị ugbu a.
Ọ gbagwojuru m nọọ anya



Ihe o ji ihe ndị a eme.

**Ekwekwe:** Ọ gbagwojuru gị anya,
A sị unu leruo anya ala
Mata ihe na– aga n'ụlọ Ụka anyị,
Unu ana–agba elu elu.
Ị maghị na ọ bụ mgbe ahụ
Ka ọ na–akwadobe maka ụlọ ahụ.
Gaa lee ụlọ o bidoro
N'ọnwa atọ gara aga
Na ọ rụchapụla ya kpam kpam.
Ọ na–akpụ ego?
Ka ọ bụ abalịdiegwu?

**Arịnze:** Ị na–ajụ ọ na–akpụ ego
Ọ bụkwa ya ji ji, jide mma
Onye ọ wanyere, o rie.
Ọ bụ onye isi
Bụrụ onye ọnakọ ego
Bụrụkwa onye odebe ego.
Gịnị ka unu chere ga–eme?
O nwere onye na–ajụ ya ase?
Unu maara na Brọda Jud,
Nwoke ahụ anyị kpeere ekpere
Ihe karịrị otu ọnwa n'ụlọ ekpere,
Ka o wee nweta ezigbo ọrụ;
Zitere anyị otu akpa ego?
(*Ụkọha na Nnọdị wee tie mkpu n'olu dị iche iche na mgbagwoju anya*).

**Ekwekwe:** Amaghị m na o nwere onye ọzọ
Nụrụla ihe dị otu a.
Okwu ego a so n'ihe m bu
N'uche, m chọrọ ịgwa unu.
Ọ karịala ọnwa anọ m nụrụ maka ya.
M nọ na–eche ka ọ gwa anyị
Maka ya, ma ruo taa,
Ọ dịghị mkpatụ ọ bụla m nụrụ.
Ụra kwere izu aghọọla ọnwụ.
Gịnị bụ uche unu?

**Nnọdị:** Ọ bughị na anyị amaghị
Ihe anyị ga–ekwu, ma ọ bụ
Ihe anyi ga–eme.
Ọtụtụ ihe dị anyị ga–eme

Ma egwu nwoke a na–atụ m.
Onye amaghị onye karịrị ya
Nwụrụ anwụ.

**Ekwekwe:** Ọ bụ egwu gịnị na–atụ gị?
Ọ bụghị nwoke ibe gị?

**Nnọdị:** Unu jụkwara ihe kpatara
Ọnwụ mberede Dimkpa
Na ọnwụ ike Ahụmibe.
Unu echefuola na ọ bụ Ahụmibe
Bụ onye kwupụtara
Na o riri ngarị
Nke mere e ji chụọ ya n'ọrụ;
Dimkpa n'akụkụ nke ya,
Wakwujere ya ọgụ n'ụlọ ya
Ihi na ọ na–achọ ịnara ya nwunye ya.
Unu chefuchaa ndị a,
Kedụ maka nke mekwaranụ ụnyahụ;
Nanị na Akụmefula bịara ya ụgwọ
Ha wee barịta mba, dụọ aka n'ọnụ,
Kpatara isi ya ji laa n'ime ya.
Nwoke mmadụ wee nọrọ be ya
Nọpịa mkpụrụ amụ.
Ya bụ na unu amaghị na ọ bụ
Ekpere ka o ji kpegbusie ndị a?

**Ụkọha:** Ekpere nke a ị na–ekwu
Ọ pụrụ iche?
Ọ bụzịkwa ekpere nke anyị nile na–ekpe?

**Nnọdị:** Unu ajụọkwala ihe e ji ihe ahụ
Dị ka ihu arụsị
Dị n'azụ ụlọ ya eme?
Unu amaghị na ọ bụ ebe ahụ
Ka ọ na–anọ akpọpụta
Mkpụrụ obi onye ọ chọrọ igbu,
Wepụ ndụ onye ahụ n'otu ntabi anya.
*(Ndị ọzọ wee kụja, tie mkpu n'olu mwute)*

**Ụkọha:** Ha . . . w u u!
Ọ bụ ihe o ji ebe ahụ eme?
Ọ bụ ihe kpatara kandụl uhie
Na ọbara ji awụsa ebe ahụ mgbe nile?
Ka m sịkwa ihe o ji eme mpụ,
Na–atụghị egwu onye ukwu na onye nta.



**Arịnze:** Ugbu a ka m na–aghọta isi okwu
Ibe, nwa odibo ya, na–ekwu
Banyere ụdị ekpere dị omimi
Nna ya ukwu na–ekpe nanị ya,
Na ndeeri abalị ụfọdụ, n'azụ ụlọ.

**Ekwekwe:** Ọ dị m obi ụtọ
Na unu na–aghọta ụdị mmadụ Akụụwa bụ.
A naghị agwa ochi nti na ahịa esula,
Nke a na–agwa okenye
Maara ihe pụta n'anwụ.
Ihe anya nile hụrụ,
Ama anaghị agba ya.
Ọ dịzị anyị n'aka ugbu a
Ikwu ihe ga–abụ ọnọdu anyị
Na nwoke a n'ụlọ Ụka ahụ.
Ozu emeghị ụñara,
E buru ya gafee ama nna ya.
Ọnye gba nkịtị, chi ya agba.
Gịnị bụ uche unu?
Ka anyị ga–anọrọ na–eche
Na–ele n'anya ihe a na–aga?

**Arịnze:** Uche m n'okwu a bụ ịtụ elo
Ụzọ anyị ga–esi tikpọọ
Ihu arụsị ya ahụ
Okwu m agwụla.

**Ụkọha:** Ana m akwado ihe Arịnze kwuru
N'ihi na ọ ga–eme ka ike ya daa.
A napụ nwoke ihe o ji ama mma,
Mma ya arụọ.

**Nnọdị:** N'uche m, echere m na ọ ka mma
Ka anyị kewapụ onwe anyị n'ụlọ Ụka ya,
Ma bido nke anyị.
Ya buru okwu na ụka ya gawa.
Onye ihe mere ọ mara ihe,
Bu arụrụala ụzọ pụta ụwa.

**Ekwekwe:** Atụmatụ ndị a unu tụpụtara
Dịcha mma; ma ana m eche
Na anyị hapụ ihu arụsị ya ahụ
Puọkwara ya n'ụlọ Ụka;
Ọ gaa ebe ahụ kpegbuo anyị

Dị ka Nnọdị kwuru.
Ma ọ bụrụkwanụ na anyị
Gaa tikpọọ ihu arụsị ahụ
Mạ nọdụkwa dị ka otu n'ụlọ Ụka ya,
Udo agaghị adị n'etiti anyị na ya.
N'ihi ya, m na–eche na anyị ga–emecha
Ụzọ atụmatụ abụọ ndị a.
Anyị ga–etikpọ ihu arụsị ya ahụ
Ma kewapụkwa onwe anyị n'ụlọ Ụka ya.
Unu kwenyere nke a?
Ka ọ bụ ka anyị hapụwa ihe nile
Narawa mkpari so ịjụ oyi
Ebe ọ bụ na anyị dutere
Nwoke ibe anyị ahịa?

**Arịnze:** Chukwu ekwela!

**Ụkọha:** Ọ ga–abụ mmadụ ịkwọcha aka
Tiere ọkụkọ akụ.
Anyị echefuola ihe Akwụkwọ Nsọ kwuru?
'Onye tụfuru ndụ ya ga–enweta ya,
Ma onye na–eche nanị ndụ ya,
Ga–atụfu ya n'ikpe azụ'.

**Nnọdị:** Ahụla m na obi mmadụ nile bụ otu.
Ebe ọ bụ na onye nanị ya kwụ
Na odudu na–atagbu ya,
Ekwetala m ihe unu kwuru;
Ọ bụzị ka a gwọwa agwọwa
Ka o rewe erewe.
Itufu oge adịghị ya
Ihe a na–eme ka e mewe ya emewe
Ọ hụọla anyị ọnụ n'ọkụ.

**Ekwekwe:** Obi dị m nọọ ụtọ
Otu olu anyị si dakọta n'otu.
Mkpụrụ osisi mịrị taa, chaa taa,
Abụghị ezi mkpụrụ.
Unu ga–alawa.
Ka ihe fọrọ afọ fọdụrụ m.
Gewezienụ ntị maka ozi m.
Unu emeela. Ka ọ dịwazianu.
(*Ha wee bilie ịla*)

**Nnọdị:** I meela. Anyị ga–alawa.

**Ụkọha:** Kelee oriakụ gị. Ka ọ dịwazịa.



**Arịnze:** (*Kwee Ekwekwe n'aka*) Ụka a kpara akpa,
E ji isi ekwe ya. Ka anyị laa.

**Ọkụ Wee Nyụọ**

# EMUME ANỌ

*(N'ụlọ Akụụwa. Akụụwa na nwunye ya anọghị n'ụlọ, ma Ibe, nwa odibo ha, nọ ya. Ekwekwe, Arinze, Nnọdị na Ụkọha jikechara nke ọma, zochaa mma ha n'akpa ha. Ha guzoro n'ama dị nso ụlọ Akụụwa. Ihu arụsị Akụụwa dị n'azụ ụlọ ya).*

**Ekwekwe:** Cherenụ m ebe a
Ka m jee ledoo ala.
*(Ọ hapụ ha gaa bata n'ihu ụlọ Akụụwa. Ibe nọ na–azacha ụlọ)* Kụa aka n'ụzọ.

**Ibe:** Onye na–akụ n'ụzọ?
Batawa!

**Ekwekwe:** Ibe, nna gị ukwu na oriakụ ya
Ha nọkwa n'ụlọ?

**Ibe:** Ha anọghị n'ụlọ.
Ha abụọ soro pụọ.

**Ekwekwe:** Ị maara ebe ha gara?
O teela ha pụrụ?

**Ibe:** Amaghị m. Ha agwaghị m ebe ha na–aga; ma o tebeghị anya ha pụrụ.

**Ekwekwe:** Ọ dị mma.
Anyị na–abịa ugbu a.
*(O wee pụọ, gakwuru ndị otu ya)*
Ala dị mma. Ha anọghị n'ụlọ.
Ngwanụ, ihe nile, ọsọ ọsọ, ọsọ ọsọ.
*(Ha nile wee wụbatasịa n'ụlọ Akụụwa)*

**Ekwekwe:** Ibe! Bịa. O nwere ọrụ Mmụọ Nsọ
Nyere anyị ịrụ n'ụlọ a, n'oge a.
Ma ndị nwe ụlọ ha nọ ya
Ma ha anọghị ya,
Anyị ga–eje ozi e ziri anyị.

*(Ha wee gaa n'azụ ụlọ, gbaa ihu arụsị ahụ gburugburu. Ekwekwe na–efe mmiri nsọ n'ukwu arụsị ahụ na–ekwu)*
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ọzọ:** Amen

**Ekwekwe:** Jaa! Jaa! Jehova Jaa!
Bịa nara ekwensu ike
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ọzọ:** Amen.

**Ekwekwe:** Napụ ekwensu ike; gbuo mmụọ ọjọọ nile
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ọzọ:** Amen.

*(Ha nile wee bido gbukasịwa ihu arụsị ahụ n'ike n'ike; onye ọ bụla n'ime ha ana–ekwu otu ọ masịrị ya)*

**Ekwekwe:** Arinze, were mmanụ oliv ahụ
Wụsa ebe a nile.
Nnọdị na Ụkọha, mụnyenụ kandụl
Dọwasịa gburugburu ebe a nile.

**Ekwekwe:** *(Mgbe ha mesịrị ihe ndị a)*
Anyị akụnyụọla ike ekwensu.
Otuto dịrị Chineke
N'aha Jiizọs!

**Ndị Ọzọ:** A amen.

*(Ha wee tụgharịa lawa. Ibe nọ na–ehicha anya mmiri. Ka ha na–ala, ha zutere Akụụwa n'ụzọ)*

**Akụụwa:** Ndị ụmụnna m n'ime Kraịst.
Nke a unu tucha mma n'ukwu,
Na–aga ka ndị jere ọgụ,
Obodo ọ dịkwa mma?

**Ekwekwe:** Onye amụma, nwe anyị; ị lọtala.
Ọ bụ n'ụlọ gị ka anyị si
Mmụọ Nsọ dunyere anyị
Gaa rụọ ọrụ n'ụlọ gị,
Anyị wee gaa, zaa oku ahụ.
Ọrụ ahụ gara nọọ nke ọma,
Nsogbu adịghị.

**Akụụwa:** Unu sị na unu gara ọrụ n'ụlọ m?
N'ezi okwu, Chineke ji ndị nke Ya
Arụ ọrụ n'ụzọ dị iche iche.
Otuto dịrị Chineke
N'aha Jiizọs!

**Ha Nile:** Amen.

**Arinze:** Ọ dị mma, ka anyị lawazịa.

**Akụụwa:** Gịnị bụ ka unu lawa?
Ebe Chukwu mere ihe unu zute m n'ụzọ;

|  |  |
|---|---|
|  | Anyị ga–alaghachi azụ. |
|  | Amaara m na oriakụ m |
|  | Anọghị n'ụlọ, marakwa na Ibe |
|  | Agaghị enwe ike chọrọ unu ọjị. |
|  | Biko, ka anyị laghachinụ azụ. |
|  | Omume unu a juru m afọ ka nri. |
|  | Otuto diri onye kere ụwa. |
| **Ekwekwe:** | (*Ya na ndị otu ya were anya kwuo okwu*) |
|  | Esogbula onwe gị maka ọjị |
|  | Ụkwụ apụọla anyị ama. |
|  | Ya dịwa oge ọzọ. |
|  | Ụbọchị nta ka a chụọ n'owere nchi. |
| **Akụụwa:** | N'ezi okwu |
|  | Ọ gaghị adị m mma n'obi |
|  | Ma ọ bụrụ na unu esoghị m |
|  | Laghachi azụ, n'ihi na |
|  | Onye ọrụ kwesịrị ụgwọ ọrụ ya. |
| **Ha Nile:** | Ọ kwa anyị asịla gị hapụwa |
|  | Ka anyị lawa |
|  | Onye dunyere anyị ọrụ |
|  | Ga–akwụ anyị ụgwọ ọrụ. |
|  | Anyị maara na ụgwọ ọrụ anyị, |
|  | Dị ka Akwụkwọ Nsọ si kwu, |
|  | Dị n'elu igwe. |

(*Ha wee chigharịa, lawa. Akụụwa guzo lee ha anya nwantịntị oge, tugharịa lawa nke ya. Akụụwa batara n'ụlọ ya, hụ Ibe ka ọ nọ ka onye a na–emegbu emegbu; na–echicha anya mmiri*)

|  |  |
|---|---|
| **Akụụwa:** | Ibe! Dịrị gị ka nwa mmegbu |
|  | bịa ebe a. (*Ibe bilie guzo ọlọ*) |
|  | O nwere ndị bịara ọrụ ebe a? |
|  | Gịnị ka ha rụrụ? |
| **Ibe:** | Ọ bụ Ekwekwe na ... na ... |
|  | Na Ụkọha na ... |
| **Akụụwa:** | Ọ dị mma. |
|  | Ebee ka ha rụrụ ọrụ? |
| **Ibe:** | Ọ ... ọ bụ n'azụ ụlọ. |
|  | N'ebe ahụ ị ị ị na–anọ ... |
| **Akụụwa:** | Ebe ole? |
|  | Bịa gosị m ebe ahụ ọsọ ọsọ |
|  | (*Ibe wee gaa, gosị ya*) |



|  |  |
|---|---|
| **Akụụwa:** | (*Bikwasị aka n'isi; na–eti n'olu ike*) |
|  | Chi m o! Chineke e! |
|  | Elu na ala e! |
|  | Ebelebe egbuonụ ebe a o! |
|  | Ọ bụ ihe a ka Ekwekwe na |
|  | Ndị otu ya bịara rụọ n'ụlọ m? |
|  | (*Ọ tụgharịa legide Ibe anya. Ibe malite bewekwa akwa*). |
|  | Ibe! Ibe!! |
|  | Ị nọkwa n'ụlọ |
|  | Mgbe ndị a rụrụ ala a? |
| **Ibe:** | Ha batara sị m ... sị m |
|  | Na ọ bụ Mmụọ Nsọ ziri ha ... |
| **Sera:** | (*Tibata na mgbagwoju anya*) |
|  | Ọ bụ gịnị mere? (*Ọ hụ ihe mere*) |
|  | Ewo o! Chi m o! |
|  | Ọ bụ ndị ole mere nke a? |
| **Akụụwa:** | Haa! Haa! Hawụ ụ ụ! |
|  | Ekwekwe na ndị otu ya |
|  | Emee m arụ taa. |
|  | Ha emeela m emeghị eme. |
|  | Ha anyụọla m anya. |
|  | Hew u u! Ha apịala m amụ n'ike. |
|  | Ewu ataala m igu n'isi. |
|  | A napụ nwoke ihe o ji ama mma, |
|  | Mma ya arụọ. |
|  | Ọ bụ mụ na ha taa, |
|  | Isi nwoke adịghị n'ala, |
|  | O koro na mkpọ aja. |
|  | (*Ọ na–eti aka n'obi, na–atụ aka, na–ekwu*). |
|  | Unu ụmụ ajụala |
|  | Ndị ihu abụọ |
|  | Ọ bụ mụ na unu taa. |

(*O were iwe chụso ha n'azụ; nwunye ya gbaso ya; Ibe ghasokwa ha n'azụ*)
(*Akụụwa ji ọsọ na–akpọ EKWEKWE na ndị otu ya, na–achụso ha n'azụ*)

|  |  |
|---|---|
| **Akụụwa:** | Ekwekwe! Ekwekwe! Nnọdị! |
| **Nnọdị:** | (*Tụgharịa*) Ọ bụkwa Akụụwa. Leenụ! |
|  | Gịnị ka anyị ga–eme? |
| **Ekwekwe:** | Anyị agaghị agba ọsọ |
|  | Ọ bụ nwoke na ibe ya. |
|  | Ka anyị chere ya ka ọ bịa. |

(*Ha wee guzo chere Akụụwa, o rute*)

**Akụụwa:** (*Na–eku ume ọsọ*) Ekwekwe! Ekwekwe!!
Ahụla m ọrụ ahụ Mmụọ Nsọ dunyere
Unu gaa rụọ n'ụlọ m!
Ugbu a, ihe m chọrọ bụ
Ka unu rụpụchaa nke fọdụrụ n'ahụ m.
Unu mara na unu bụ nwoke,
Tọgbọchaanụ mma unu n'ala.
Ka anyị were ike aka chịpụ ya.

**Ekwekwe:** (*N'obi nro*) Akụụwa,
Ọ bụkwa anyị agwala gị
Na ọ bụ ọrụ Mmụọ Nsọ dunyere anyị
Ka anyị gara rụọ?
Anyị achọghị ọgụ
Nke anyị na–achọ mgba.
Anyị nile kwere na Chineke
Marakwa na iwu mbụ Ya bụ,
'Gị enwela chi ọzọ tinyere m'.

**Sera:** Gụgbukwaanụ onwe unu n'iwu; ndị arụ!

**Akụụwa:** Ka unu maara na unu abụghị ndị ihu abụọ,
Ndị nwoke amụ mmiri,
Gịnị mere na unu abịaghị
Mgbe mụ na nwunye m nọ n'ụlọ?
Ka unu maara na ọ bụ Mmụọ nsọ
Dunyere unu ọrụ n'ụlọ m,
Gịnị mere unu agwaghị m ezi okwu
Mgbe mụ na unu zutere n'ụzọ?
Ndị ihu abụọ! Ụmụ ajụala!
Ndị ọtabi mkpụrụ aka na–enye ha nri.
Ndị 'atụrụ richaa, ọ zọwaa ọkụ'.
Ma onye tiwaa ọkụ o ji eri nri,
O riwe n'ala.
Asị m unu tupụchaa
Mma unu tunyere n'ukwu,
Ka nwoke na ibe ya
Were ụkwụ chọwa ihe dara mmiri.

**Sera:** He w u u! Chi m o o!
Ndị ihu abụọ anyụọla nsị n'ụlọ ụka o o!
Tụfịa!
Ekwensu ga–akpọchasị unu nile ọkụ.

**Ụkọha:** Hapụnụ ha; bịanụ ka anyị laa,



Eleghị anya, isi emebiela
Onye isi anyị na nwunye ya.

**Akụụwa:** Ụkọha, ị sị gịnị?
Ị sị na isi emebiela onye?

(*N'otu ntabi anya, n'oke iwe, o buru Ụkọha tụọ n'ala, tọgidesie ya ike n'olu. Ibe malite besiwe akwa ike. Sera kwudebe di ya n'akụkụ*).

**Sera:** Jisie ya ike! Zi ya mmụọ! Tọgbue ya!
(*Ọ hụ ndị ọzọ ka ha na–achọ ịjide di ya*)
Unu na–achọ ime gịnị?
Hapụnụ, ka ọ bụrụ nwoke na ibe ya.

(*Ekwekwe, Nnọdị na Arịnze wee jisie ike dọlite Akụụwa n'elu Ụkọha. Ụkọha tọgbọ n'ala na–eku ume ka ngwere si n'elu daa. Sera tie onye a ọkpọ, o tie onye a; na–eti mkpu*).

**Sera:** Ekwekwe na ndị otu ya egbuola
Ọchụ ebe a o o! Chi m o o!
Unu ga–egbu anyị taa.
Leenụ anyị gbuchapụ.
Ndị omekome, gịnị ka anyị mere unu e e!
Ekwekwe na ndị otu ya
Egbuela ọchụ ebe a o o!
(*Ndị mmadụ bido gbatawa*).

**Onye Mbụ:** Ọ bụ gịnị na–akpọtụ ebe a?
Ọ bụkwa onye amụma ka e bu ebu ihe a?
H a w ụ ụ!

**Onye Abụọ:** Hei! Hei! Hei!
Onye amụma ukwu anyị,
Ọ bụ gịnị mere ya?
Ọ nwụrụ anwụ? Chei!
Ọnwụ! I meela arụ.

**Ibe:** Ọ nwụghị anwụ.
Ọ bụ ha (*ọ na–atụ aka*) na–achọ itigbu ya.
O nweghị ihe o mere ha.

**Onye Atọ:** Ọ bụkwa ha bụ ndị ụka Mmụọ Nsọ?
O mere gịnị?
Ọ bụkwa ya bụ onye isi ha?

(*Onye uwe ojii wee bata site n'ụzọ aka ekpe. Ndị mmadụ hụ ya, mechichaa ọnụ ha*).

**(Onye Polis):** (*Jide Ụkọha aka mgbe ọ na–achọ igba ọsọ*)

**(Kọpụl Ọkafọ):** Gịnị na–eme ebe a?
(*Mmadụ nile wee malite ịgbasasị*).
Onye ọ bụla kwụrụ ebe ọ kwụ!
Onye azọghakwala.
Onye gbaa ọsọ, ọ kara ya njọ.
(*Ndị kara obi wee gbapụ ọsọ; ndị ọzọ weere egwu kwụrụ, na–ama jịjịjị*).
Ọ bụghị unu ka m na–ajụ ajụjụ?
Bịanụ nso ebe a!
Gịnị butere nsogbu na mkpọtụ nile a?

**Onye Anọ:** Ugbu a ka m na–abịa.
Ahụrụ m ndị ụka Mmụọ Nsọ
Ka ha bu onye isi ha n'aka,
Nwunye ya na–eti mkpu,
M chee na ọ nwụrụ anwụ
Lee otu onye n'ime ha (*ọ tụọ Ụkọha aka*)
O nwere ike ịkọrọ gị ihe mere.

**Kọpụl Ọkafọ:** Ọ dị mma ... unu nile ... sonu m!
Onye ọ bụla bịa,
Ka ọ kọọ otu o siri hụ.
Ụkọha!
Gawa ka i zi anyị
Ebe ndị otu gị nọ.
Nanị eziokwu ga–azọpụta unu.

(*Ha nile wee na–aga egwu, egwu. Ụfọdụ bikwasịrị aka n'isi; ndị ọzọ n'obi. Ndị ọzọkwa nọ na–asara elu aka*).

**Ọkụ Wee Nyụọ.**



# EMUME ISE

(*N'ụlọ Irechi. Irechi na Amadị nọ n'oche na–akparịta ụka maka ọgụ ndị ekpere Ụka Mmụọ Nsọ lụrụ.*)

**Irechi:** (*Na–achị ọchị, chịkata, dalaa azụ n'oche ya*).
Ha! Ha! Ha!
I gbuola mmadụ, Amadị.
Ha! Ị sị na ndị ụka nile bụcha
Ndị oke ọchịchọ?
Ọ pụtara na o nweghị
Otu ezigbo mmadụ nọ n'ime ya?

**Amadị:** Gịnị ka ị na–eche?
Mgbe onye isi ha,
Sị na ya bụ onye amụma,
Bụ nwa mkpi n'onwe ya,
Bụrụka olulu; afọ eju ...

**Irechi:** Ị sị na ọ sị na ya bụ onye amụma,
Ya bụ na ị kwetaghị
Na ọ bụ onye amụma?

**Amadị:** Ọ bụ na ị nweghị ike
Ibu ụdị amuma ahụ?
Mgbe ị chọrọ ịnakọrọ ụmụ mmadụ
Ihe ha n'anya ọcha,
Ị dagharịwa ka onye mmanya na–egbu
Kwuwe ihe ị hụrụ na nke ị hụghị
Sị na Chineke ziri gị;
Chineke ọ na–eji ụzụ, mkpọtụ,
Na ọgba aghara,
Agwa ndị nke Ya okwu?

**Irechi:** Ihe ị na–ekwu bụ ezi okwu.
Onye nkuzi ụka anyị
Gụụrụ anyị site n'Akwụkwọ Nsọ
Na Chineke na–ekwu n'olu nwayọọ
Na n'ebe dị jụụ.
Ana m ahụ ọtụtụ ihe mgbagwoju anya
Na ndụ ndị Ụka Mmụọ Nsọ.

Omume ha ejughị m afọ.
**Amadị:** Ị hụla ndị ụka ọzọ
Ebe ha na–ese okwu na mbara?
Ma ya fọdụzịa.
Onye isi ha ịlụ ọgụ n'ama?
Ọgụ a ha lụrụ
Achịpụtala ha ụkwụ n'ama.
Ọ bụzị ọnụ kwuru gawazie.
**Irechi:** Ndị mmadụ dị mbụ ekwu
Ihe ha anọghị ebe o mere,
Ma ya fọdụzịa nke a
Ewu na ọkụkọ ji anya ha hụ;
Ọ bụzị onye na–ekwu,
Ọ na–akpụchanye ya nnu na ose.
Ọ bụ ewu nwụrụ anwụ
Sị ka a gbawaa ya afọ.
**Amadị:** Ndị ọzọ nwere ike na–ekwu.
Ihe masịrị ha,
Ma nke m hụrụ ka m na–ekwu.
N'uhuru chi ụbọchị Eke gara aga,
Ka m nọ n'ime ụlọ m
Nụ ka Akụụwa na nwunye Ụkachi
Nọ n'isi ụlọ m na–akparị ụka.
Akụụwa sị ya hapụ dị ya
Hapụkwa ịga ụka Fada ọ na–aga,
Ya bịawa ụka ekpere ya.
Ị maara na nwunye Ụkachị atụghị ime.
Ụmụnwanyị ụfọdụ
Na–akpọkwa ya nwanyị aga.
Ụdị ọnọdụ a na–agbawa
Nwanyị a obi nke ukwu.
Akụụwa sị ya na ya nwere ike
Kpeere ya ekpere dị iche
Ọ tụa ime, mụa ụmụ, jidekwa ha.
**Irechi:** Ọ bụ otu a ka ha si adọta ndị mmadụ.
Onye ọ bụla nọ n'ụka ahụ
Banyere ya site na mmekpa ahụ
Na elu ntụrụ.
Oke anaghị eji anya ịdị mma ama n'ọnya.
A na–eje Ibina Ụkpabị n'anya ọma?
Anaghị m ata ụmụ mmadụ ụta.



**Amadị:** Ọ gaara adị mma
Ma ọ bụrụ na ihe ji ha
Na–ahapụ ha aka n'ebe ahụ.
Ma mgbe ụfọdụ ọ na–aka njọ
Ọtụtụ n'ime ha na–aba n'ụgwọ
Site n'ịhụ na ha zụtachara
Ihe a sị ha zụta maka ekpere ha.
Ọ dị otu nwanyị gara ịgbazi ego
Na be Ikeọgụ; ego ọ ga–eji zụta
Atụrụ a ga–eji chụrụ ya aja.
Ọ bụ n'iyi Ọtamiri ka ha na–achụ aja.
Gwa m ma ndị ụka
Ha na–achụ aja na mmiri?
**Irechi:** Anụrụ m na ọ na–eri ego ndị
Ụka ya ka ọ bụ nanị ya nwe.
Ha sị na ọ na–arụ ụlọ elu
N'obodo ya ugbu a.
Ị ma na ka mgbe afọ iri abụọ
Fada Jemis, nwanna m,
Nọ n'ọrụ Ụkọ Chukwu,
Na ọ rụtabeghị mkpu ọkụkụ
Na be nna ya, ma ya fọdụ ụlọ elu.
Leenụ Akụụwa!
Ọ bụ nanị afọ abụọ gara aga
Ka o bidoro ụka ekpere a,
Ma jezie hụ egwu o tiri na be nna ya;
O sonyela na ndị bara aba n'obodo ha.
**Amadị:** Ana m eche na ọ bụ ihe kpatara
Ọgụ ahụ ha lụrụ n'ama Ejekam.
Ọ bụ . . .
(*Akụụwa wee kụọ aka n'ụzọ*)
**Irechi:** Ọ bụ onye na–akụ n'ụzọ?
Batawa o o!

(*Akụụwa wee bata. Irechi na Amadi were anya kwuo okwu. Ọbịbịa Akụụwa gbagwojuru ha anya*).

**Akụụwa:** Ụmụnna m, unu anọọla e!
**Irechi:** Onye ozi . . . ị bịala . . .
Nnọọ . . . werenụ oche . . .
Anyị ga–adịkwa?
**Akụụwa:** Unu ga–adị, ụmụnna m.

Irechi, ama m na ọbịbịa m
N'ụlọ gị taa,
Ga–abụrụ gị ihe ịtụ n'anya.
A sị na awọ anaghị agba ọsọ
Ehihie n'efu.
Agadi nwanyị na–agba ọsọ n'ugwu,
Ọ naghị achụ ihe, ihe a na–achụ ya.
Agaala m n'ụlọ gị . . . Amadi,
Ma ahụghị m gị n'ụlọ.
Ugbu a m hụrụ unu abụọ ebe a,
Ọ dịzị ka ihe Chukwu kwadoro,
Na ije m ga–enwe isi.
Unu ewela iwe na m bịakwutere
Unu na mberede.
A sị na ọkọ kọwa mmadụ,
Mmadụ ibe ya akọọ ya,
Ma ọ kọwa anụ ọhịa,
Ọ gawa n'ukwu osisi .
Ikekwe, unu ma ihe kpatara
M ji achọ unu.

**Irechi:** M m m m – – !
Ị ka nọ n'elu n'okwu gị.
Rịdata, ka anyị mara ebe
I chere ihu.

**Akụụwa:** Ọ bụ maka ihe mere ụnyahụ.
Abịara m ka unu nyere m aka.
Ebe okwu ahụ banyerela n'aka
Ndị uwe ojii,
Echere m na ọ ghaghị ịgaru ụlọ ikpe.

**Amadị:** Olee ụdị inye aka ị chọrọ
Ka anyị nyere gị?

**Akụụwa:** Ọ . . . ọ bụ ka unu bịara m
Aka ebe n'ụlọ ikpe.

**Amadị:** Oleekwanụ ụdị aka ebe ị chọrọ
Ka anyị gbaara gị?

**Akụụwa:** Ihe dị m mkpa bụ ka unu kwere
Na unu hụrụ Ekwekwe na ndị otu ya
Ebe ha na–akụ m ihe.
Amaara m na onye ọrụ
Kwesịrị ụgwọ ọrụ ya.
Nke ahụ agaghị enye nsogbu.



Nanị na ha tiri m osisi,
Tụọ m n'ala, zọọkwa m ụkwụ;
O zuola.

**Irechi:** Ọ gwụchaala ihe ị chọrọ
Ka anyị mee, ka ọ fọrọ ọzọ?

**Akụụwa:** Unu kwuo otu ahụ nanị,
O zuorola m.
Ọ bụzị unu kwuo ihe so ya,
N'ihi na dị ka m kwuru na mbụ,
Onye ọrụ kwesịrị ụgwọ ọrụ ya.

**Irechi:** Heiii! Onye amụma!
Ọ bụzịkwa gị na–ekwu otu a!
A ụ ụ ụ! Ụwa emebichaala.
Isi okwu gị bụ ka i nye anyị ngarị
Ka anyị wee gbaara gị ama ụgha?
Tụfịa! Chineke ekwela.
Enyi m nwoke!
Iri ngarị megidere nkuzi ndị ụka anyị.
Fada gwara anyị
Na ọ bụ njọ ogbugbu.
Ọ bụrụ na ị chọrọ
Ka anyị bịa kwuo ihe anyị hụrụ,
Anyị nwere ike ịbịa,
Ma ọ bụghị nke inye anyị
'Rie, kpuchie ọnụ'.

**Akụụwa:** (*N'ihu ihere*)
Ọ bụghịkwanụ ngarị ka m kpọrọ ya.
Achọrọ m ka unu nyere m aka,
E mesịa ekelee m unu n'ụzọ nke m.
Ọ bụ aka nri kwọọ aka ekpe,
Aka ekpe akwọọ aka nri.

**Irechi:** Ọ dị mma, ị ga–alawa . . .
Ka anyị chèbaara okwu ahụ echiche.

**Akụụwa:** Ọ dị mma; ekelee m unu.
Eji m aka na unu
Ga–echepụta echiche ọma.
Ka m bịa lawa.
Nọdụnụ mma. Ka ọ dịwazịa.
(*Ọ pụọ, lawa*).

**Irechi:** }
**Amadị:** } Ha dapụ n'ọchị

**Amadị:** Irechi,
Ị hụlanụ ihe anyị na–ekwu.
Onye dị ka ọnụ a kọrọ ya,
Bụ a chịwa, achịbighị achịbi.
(*Ha chịwakwa ọzọ*)

**Irechi:** Leenụ; onye isi ụka ekpere!
O chere na akụ nke ụwa
Ga–azụtara ya ezi okwu; na ego
Na–azụta ihe nile: Ee e!
Ọ maghị na aha ọma,
Na ibi ezi ndụ karịrị akụ ụwa.
Agaghị m eji ire m a,
Kwuhie ọnụ maka ihi ego.

**Amadị:** Uche mụ na gị bụ otu, Irechi.
Onye jiri isi kota ebu,
Ọ gbawa ya.
Anyị ga–ahapụ agwọ
Ka ya na ihe o loro laa.
Biko, aga m abịa lawa. (*O bilie*)

**Irechi:** Ọ dị mma; i meela.
Ka e mesịzịa.

**Ọkụ Wee Nyụọ**



# EMUME ISII

(*N'ụlọ ikpe. Kọt Klak, ndị uwe ojii, ndị bịara ikpe na ndị ụfọdụ ọzọ ewerechaala oche ha, ọ fọdụ nanị Majistret. Majistret wee nọrọ n'ime ụlọ kụa aka n'ụzọ.*)

**Majistret:** Kpọm! Kpọm! Kpọm!
Kpọm! Kpọm! Kpọm!

**Polis:** K ọ ọ t!

(*Mmadụ nile eguzo ọtọ. Majistret wee bata nọdụ ala. Ndị ọzọ wee nọdụkwa*)

**Kọt Klakị:** Onye nwe m, n'abalị iri na atọ
N'ime ọnwa Februarị n'afọ 1976
Ka Kọpụlụ Ọkafọ jidere mmadụ ndị a;
Ekwekwe, Nnọdị, Arịnze na Ụkọha;
Akụụwa, nwunye ya na Ibe, nwa
odibo ha; ebe ha lụrụ ọgụ.
Tinyere ụmụnwanyị ndị a,
Bụ ndị aka ebe.
E jidere ha n'okporo ụzọ Ama Ejekam.

**Majistret:** Ndị a a kpọrọ aha,
Ha nọ n'ụlọ ikpe a ugbu a?

**Kọt Klakị:** Ha nile nọ ya, onye nwe m.

(*Ọ malite kpọwa ha aha n'otu n'otu; onye ọ kpọọrọ, ọ zaa, 'Prezenti' ma ọ bụ 'Anọ m ya'.*)

**Majistret:** Akụụwa! Kọọrọ ndị ụlọ ikpe
Otu unu si lụọ ọgụ.

**Kọt Klakị:** Akụụwa!

**Akụụwa:** Saa!

**Kọt Klakị:** Bịa ebe a.
Banye n'ime ọgba a (*ọ tụọ aka*)
Ka i kpee ọnụ gị.
Ị bụ onye ụka
Ka ị bụ onye ọgọ mmụọ?

**Akụụwa:** Abụ m onye isi na onye ozi
Bụrụkwa onye amụma ndị

Ụlọ ekpere Mmụọ Nsọ.

**Kọt Klakị:** Nke a pụtara na ị bụ onye ụka?

**Akụụwa:** E e!

**Kọt Klakị:** *(O nye ya Akwụkwọ Nsọ, ọ nara ya. Ọ sị ya na–azaso ya)*
'Ejị m Akwụkwọ Nsọ a ñụọ iyi
Na m ga–ekwu eziokwu,
Nanị eziokwu.
Na m gaghị akpụnye okwu m nnu,
Karịa nanị eziokwu
Chineke bụrụ onye aka ebe m'.

**Majistret:** Ọ dị mma,
Gwa anyị otu ihe dum si me.

**Akụụwa:** N'ehihe ụbọchị ọnwa Februarị dị
N'iri na atọ, ka Ekwekwe,
Arịnze, Ụkọha na Nnọdị
Bịara n'ụlọ m rụọ ala.
O nweghị onye nọ n'ụlọ
Karịa nanị odibo m a bụ Ibe.
Ezutere m ha n'ụzọ
Ka ha na–ala, anyị kelechaa.
Ha gwara m na ha sị n'ụlọ m.
Na ha gara rụọ ọrụ Mmụọ Nsọ
Ziri ha gaa rụọ n'ụlọ m.
Ha agwaghị m ụdị ọrụ ha rụrụ;
Ajụghịkwanụ m ha.
M kelere ha nọọ nnukwu ekele
Chee na ọ bụ ọrụ ọma
Ka ha gara n'ụlọ m.
M rịọsịrị ha ike isoro m
Laghachi azụ n'ụlọ m
Gaa taa nanị ọjị,
Ma ha ekweghị;
Ha jụbiri ya isi
N'ihi n ọkụkọ nyụọ ahụrụ,
Ala achụwa ya ọsọ.
Mgbe m rutere ụlọ
Ka m hụrụ agwụ agwụ ha nyụrụ.

**Majistret:** Gịnị bụ ihe ị sị na ha nyụrụ?
Agwụ agwụ?

**Akụụwa:** Ọ bụghị ihe a nyụrụ anyụ,



Kama ọ bụ ala ha rụrụ n'ụlọ m
Ka m na–ekwu maka ya.

**Majistret:** Kwuo ihe ị chọrọ ikwu ngwa ngwa.
Achoghị m ogologo akụkọ
Abịaghị n'ihe ọzọ.

**Akụụwa:** Ha gara gbukasịa, mebisịa,
Ụlọ ebe m na–anọ ekpe ekpere
Dị n'azụ ụlọ m; mụnye ya ọkụ.
Mgbe m batara hụ ihe ha mere;
M wee chụrụ ha gawa,
Chudo ha n'Ama Ejekam.
Ka m na–ajụ ha ihe mere,
Kama ha ga–asa m ajụjụ,
Ha bido kụwa m ihe,
Kụkata m, buruzie m eburu pụwa;
Ọ bụzị oge ahụ ha bu m
Ka onye uwe ojii a *(ọ tụọ ya aka)*
Bịara napụta m n'aka ha.

**Majistret:** O nwere onye nwere ajụjụ
Ọ ga–ajụ ya?

**Ekwekwe:** Eee!
Enwere m ajụjụ m ga–ajụ ya.

**Kọt Klakị:** Ngwa, jụọ ajụjụ gị.

**Ekwekwe:** Akụụwa! I kwuru na anyị
Gbukasịrị ụlọ ebe ị na–anọ
Ekpe ekpere, mụnye ya ọkụ;
Gịnị ka e ji rụọ ụlọ ahụ?

**Akụụwa:** Ekwekwe! Ị na–ajụ m ihe e jiri
Rụọ ụlọ; ị makwaghị
Ihe unu bịara n'ụlọ m gbukasịa?

**Polis:** Mechie ọnụ!
Saa ajụjụ a jụrụ gị!
Ajụkwasịla ajụjụ n'elu ajụjụ.
*(Akụụwa mechie ọnụ, ọ sakwaghị ajụjụ ahụ ọzọ)*

**Kot Klakị:** Ma ị chọghị ịsa ajụjụ ahụ
Ka a jụọ gị ọzọ.
*(Ọ tụgharịa lee Ekwekwe anya)*
Unu nwere ajụjụ ọzọ?
*(Nnọdị weliri aka, ọ sị ya jụọ)*

**Nnọdị:** Ọ bụ ugbu a ka i chetara
Na anyị kụrụ gị ihe?

Ị nwekwara onye aka ebe?
Gịnị ka ị gwara onye Polis a
Ụbọchị ahụ o jidere anyị?

**Akụụwa:** Onye Polis nọ ebe a
Ya kwuo ma ọ bụ na ọ hụghị
Mgbe unu bu m ebu.

**Majistret:** Kọpụlụ Ọkafọ! I nwere ajụjụ
Ebe ha kpọtarala gị aha?

**(Polis):** Onye nwe m.

**Kọpul Ọkafọ:** Enwere m ajụjụ m ga-ajụ Akụụwa.

**Kọt Klakị:** Ngwa, jụọ ya.

**(Polis):** Akụụwa! Gee ntị nke ọma

**Kọpul Ọkafọ:** Ka ị mara ma ị ga-amata
Onye kwuru okwu a,
Ụbọchị ahụ m jidere unu:
'Ka m na-ajụ ha ajụjụ
Banyere ala ha rụrụ n'ụlọ m;
Nke a na-akpọ Ụkọha,
Onye enweghị ike ịnata ọkụkụ mkpụrụ akwụ,
Wee sị na isi mebiri ya onwe ya,
Na ọ bụghị m.
M wee kpụdebe ya nso, ịnụ ihe o kwuru,
Ọ ghapụ n'ala ka akwa.
Mgbe m na-ajụzị ya ihe o kwuru,
Ka Ekwekwe na ndị ọzọ bịara jide m,
Buru m pụwa'.

**Majistret:** Akụụwa! Ihe a Polis gụpụtara,
Ị maara onye kwuru ya?

**Akụụwa:** Ọ bụ mụ, onye nwe m.

**Majistret:** O nwere mgbe ị gwara
Onye Polis a na ha kụrụ gị ihe?
(*Akụụwa gbachite nkịtị*)

**Kọt Klakị:** O nweghị ihe ị sakwara ọzọ?
Ọ dị mma; ajụjụ ọzọ?

**Arịnze:** Gwa ụlọ ikpe a ụdị ekpere
Ị na-anọ ebe ahụ ekpe,
Ya na ndị gị na ha na-ekpe ya.

**Akụụwa:** Ọ bụ nanị m na-ekpe ekpere ebe ahụ.
M na-aga ebe ahụ mgbe ihe
Siweere m ike, maka ịnata
Ikike dị iche m ji arụ ọrụ.



**Kọt Klakị:** Ajụjụ ikpe azụ!

**Ụkọha:** Ị kọtaghị otu i siri buru m
Tụọ n'ala, tọchie m akpịrị;
Na otu anyị si gwa gị
Na anyị achọghị ogu na mgba.
E wepụ nke a,
Ụlọ ahụ ị sịrị na anyị mụnyere ọkụ;
Gịnị na gịnị gbara ọkụ n'ime ya?
Oleekwanụ ndị menyụrụ ọkụ ahụ?
(*Akụụwa gbara nkịtị*)

**Kọt Klakị:** Ọ bụ na i nweghị ihe ị ga-asa?
(*Akụụwa gbachikwara nkịtị*)
Ekwekwe! Ka anyị nụ olu unu.
(*O wee duo Ekwekwe n'iyi*)
'Eji m Akwụkwọ Nsọ a ñụọ iyi,
Na m ga-ekwu eziokwu,
Nanị eziokwu.
Na m gaghị akpụnye okwu m nnu,
Karịa nanị eziokwu.
Chineke bụrụ onye aka ebe m'.

**Majistret:** Ngwa, bido kọọ nke gị.

**Ekwekwe:** Akụụwa bụ onye isi anyị
N'ụlọ ekpere Ụka Mmụọ Nsọ.
Ọ bụ ya bụ onye ọnata ego
Na ihe onyinye ndị ọzọ,
Bụrụkwa onye odebe ego,
Bụrụkwasị onye na-atụ
Ihe a ga-eji ego mee.
Anyị enweghị ọnụ okwu,
Ọrụ anyị bụ tụa ụtụ,
Bịa ekpere, dozie ụlọ ekpere, laa.
Iji maa atụ,
O nwere onye anyị nile kpeere ekpere,
Aha ya bụ Brọda Jud.
Mgbe nwoke a lara Legos,
Ihe dịkwara ya mma,
O ziteere anyị otu akpa ego
Iji kwado ọrụ anyị na-arụ.
Ma ego ahụ dị n'elu, dị n'ala,
Anyị amaghị.
O kwuteghị ya na ntị onye ọ bụla.

Ma anaghị ekpuchi afọ ime aka.
Anyị chọpụtara na ọ na–arụ ụlọ elu
N'obodo ha ugbu a,
Matakwa na o nweghị ụzọ ọzọ
O si enweta ego (*nanị na o nwere igwe e ji akpụ ego*),
Nke ziri anyị na
Ọ bụ ego anyị na ya
Ka o ji eme ka ọ sọrọ ya.
Ọ na–akụziri anyị na ọ dịghị mma
Ịtụkwasị obi n'akụ nke ụwa.
Ọ gwara anyị na Akwụkwọ Nsọ sị
Ka anyị ghara ịkpado akụ n'ụwa
Nye onwe anyị,
Ebe nla na nchara na–eripịa,
Ndị ohi na–ezukwa.
Ma dị ka aha ya sii dị AKỤỤWA,
(*Aha mmadụ na–achọga ya*)
Anyị chọpụtara na ọ tụkwasịrị
Obi ya nile n'akụ nke ụwa.
O nwere ihu arụsị n'azụ ụlọ ya,
Nke megidere nkuzi ya
Na okwukwe anyị, nke bụ,
'Gị enwela chi ọzọ tinyere Jehova Jaa'.
Mmụọ nsọ wee dunye anyị
Gaa kposasịa ihu arụsị ahụ,
N'ihi na 'Ọchịchịrị na ihe anaghị arụkọ ọrụ'.
Ọ bụ n'ihu arụsị a,
Dị ka anyị chọpụtara,
Ka ọ na–anọ akpọpụta mkpụrụ
Obi onye ọ chọrọ ịtụgbu,
Onye o chere na ọ na–emegide ya;
Wee tụgbuo onye ahụ; ọ nwụọ piii.
Ahụmibe, Akụmefuna na Ọdịnkemma,
Bụ ụfọdụ n'ime ndị ọ nọ ebe ahụ gbuo . . .

**Majistret:** Nwoke! Hapụ ogologo akụkọ nile a,
Gwa anyị, n'atụfughị oge,
Otu unu si lụọ ọgụ.

**Ekwekwe:** Anyị alụsoghị ya ọgụ.
Anyị gwara ya na anyị achọghị ọgụ,
Nke anyị na–achọ mgba,



N'ihi na ọ bụ ọrụ Mmụọ Nsọ
Dunyere anyị ka anyị rụrụ.
Anyị gwara ya otu a
Mgbe anyị na ya zutere n'ụzọ.
Ka anyị nọkwa n'ụzọ ụla ahụ
Ka ọ chụsoro anyị n'azụ,
Na–anya isi, na–aba mba ọgụ.
Mgbe ọ hụrụ na anyị achoghị ọgụ
O buru Ụkọha tụo n'ala
Tọgide ya n'akpịrị ka ọ nwụọ.
Anyị gara bulite ya
Ebe ọ dagidere Ụkọha n'ala
Ọ bụ ka anyị na–ebupụ ya,
Ka onye Polis bịara jide anyị.

**Majistret:** (*Lee Nnọdị, Ụkọha na Arịnze anya jụọ ha*): Ọ bụ ọnụ unu nile
Ka Ekwekwe kpetara?

**Ha Nile:** E e! O kpetara ọnụ anyị nile.

**Ụkọha:** Ma ọ kọtachaghị otu ilu o gburu m ha.
N'ikwu ezi okwu, anya hụrụ m mmụọ,
Eruchaala m ala mmụọ
Mgbe ọ tọgidere m n'akpịrị,
Ma chi m ekweghị.

**Majistret:** Akụụwa! Ị nụlanụ ihe Ekwekwe kpere n'ikpe;
Ọ bụ otu a ka o mere?
Ka i nwere ajụjụ ị ga–ajụ ha?

**Akụụwa:** Enwere m ajụjụ, onye nwe m.

**Kọt Klakị:** Ngwa, jụọ ajụjụ gị ngwa ngwa.

**Akụụwa:** Ebee ka Mmụọ Nsọ nọrọ zie unu ozi?
Ọ bịara n'ụlọ unu n'otu n'otu?
Ka ọ bụ n'ụlọ Ụka m?
E b e e!

**Ekwekwe:** Ọ bụ n'ụlọ Ụka!
Ụbọchị ahụ ị gara n'ọzara ikpe ekpere,
Ka m hụrụ ya n'ọhụ.

**Akụụwa:** Gịnị mere na unu emeghị ka m
Mara ihe dị otu a mgbe m lọtara?

**Ekwekwe:** Mmụọ Nsọ ezighị anyị
Ka anyị zie gị.

**Akụụwa:** Ụkọha, gịnị ka i kwuru
Mere m ji buru gị tụọ n'ala?

Abụ m onye ara?
**Majistret:** Ya bụ na i kwetala
Na i bu ụzọ tụọ ọgụ?
Ọ dị mma.
I nwere ezigbo ajụjụ ọzọ?
(*Akụụwa gbachite nkịtị. Majistret lee Polis anya*).
O nwere ajụjụ ị ga–ajụ ha?
**(Polis):** Enweghị m ajụjụ
**Kọpụl Ọkafọ:** Kama m ga–ekwu ihe m hụrụ.
Agara m hụ ụlọ ahụ,
Ọ dịghị ọkụ a gbara ya;
Nanị kandụl ọcha ka a mụnyere
Dọwasịa ha okirikiri ebe ahụ.
Nke ọzọ bụ na ụbọchi ahụ,
Ahụrụ m Ụkọha ka ọ tọgbọ n'ala,
Anya ya pụtachaa ka nke
Oke a pịara n'ala.
Akụụwa n'onwe ya kwetara
Ihe m gụrụ ebe a nke o kwuru.
**Kọt Klakị:** Ọ dị onye nwere ihe ọzọ ọ ga–ekwu?
Ma ọ bụ ajụjụ ọzọ?
(*Ebe nile daa jiii*).
**Majistret:** Ọ dị mma.
Aga m eleba anya n'ihe nile unu
Kpesara, chịkọta ha,
Wee kpebie ikpe a.
Ihe wetara unu n'ụlọ ikpe a bụ ọgụ.
Ebe unu nile na–eje otu Ụka
Kwekọrịtakwa na Mmụọ Nsọ . . .
Nwere ike zie onye ọ bụla
N'ime unu ozi.
Ọ dighịrị m ikpebi ma ozi ahụ
Ekwekwe sị na Mmụọ Nsọ ziri ha
Ọ bụ eziokwu ka ọ bụ ụgha,
Ọ bụrụ na Akụụwa chọpụta,
Nwee ike ịkọwapụta nke ọma,
Na ọ bụghị Mmụọ Nsọ zigara ha
Ọrụ n'ụlọ ya;
Mgbe ahụ ka ọ ga–aga,
Gbaa ha akwụkwọ n'ụlọ ikpe. Ma
Akụụwa kwetara, n'onwe ya,



Site n'ihe mkpesa dị n'ịhu m ugbu a,
Na ya buru ụzọ tụọ ọgụ.
Achọpụtakwara m na ọ bụ onye ụgha,
Nke ekwesịghị ọnọdụ ya n'ụlo Ụka ya,
Site n'ikwu ọnụ abụọ.
Ọ sịrị na a mụnyere ụlọ ya ọkụ
Sịkwa na a kụrụ ya ihe,
Nke abụghị ezi okwu.
Ọ bụ ezie na Ekwekwe na ndị otu ya
Mere gị ihe mkpali iwe
Site n'iga n'ụlọ gị mgbe ị noghị ya,
Gaa rụọ ọrụ adịghị gị mma n'obi;
Ọ bụrụ na i jidere ha n'ụlọ gị,
Lụwa ọgụ; nke ahụ adị iche.
Ma nke a bụ na ha agaruola
N'Ama Ejekam – okporo ụzọ Bekee
Tupu ị chugide ha wee tụọ ọgụ.
Ị dara iwu; nnukwu iwu.
Nkịta anaghị arachapụ onwe ya
Nsị n'isi.
N'ihi ya ikpe mara gị, Akụụwa.
Ị ga–akwụ nha,
Iri naịra anọ.
Ma ọ bụ ị gaa mkpọrọ
Ọnwa abụọ.
Dị ka m kwuru na mbụ,
Ọrụ ha rụrụ n'ụlọ gị dị gị iwe,
Bịaghachi n'ụlọ ikpe gbaara ha akwụkwọ.
Nke ọzọ bụ na o kwesịrị
Ka ị mata na ezi okwu bụ ndụ.
Akụ nke ụwa ekwesịghị
Ka o duhie onye ozi dị ka gị
N'ihi na oke osisi daa,
Ụmụ nnụnụ eju ọhịa.
Bido taa gawa
Ọgbakọ ndị Ụka Mmụọ Nsọ ga–akwụsị,
Rue mgbe e lebanyechaara anya
Na mmemme Ụka ahụ.
**Polis:** K ọ ọ t!
(*Mmadụ nile kwụrụ ọtọ, Majistret bilie pụwa*)

**Ọkụ Wee Nyụọ**

# OKWU MMECHI

Ndụ dị mma ka a zụọ ya.
Ahụ dịkwa mma ka e leta ya.
Ma n'ịchọ ihe ndị a,
Ekwela ka ha duhie gị.
N'ihi na oke ọchịchọ bụ mmehie.
Ndụ karịrị ihe e ji azụ ya,
Ahụ karịkwara uwe oyiyi ya;
Ma ndidi kasị mma n'ụwa.
Akụ nke ụwa bụ ihe efu,
Ọ na–agabiga agabiga
Ma ezi aha na–adigịde.
Aha ọma karịrị akụ nke ụwa.
Ọ dị omimi karịsịa ihe nile.
Oke ọchịchọ na–akpata mmegbu,
Mmegbu na–ebute obi ilu,
Obi ilu na–eduba na mmehie,
Mmehie na–eweta ọnwụ ọjọọ.
Akụ udo anaghị eko achịcha,
Akụ udo anaghị ekwo ekworo
Akụ udo na–enye ezi ndụ.
Kpaa akụ n'ụzo ziri ezi,
Hụ mmadụ ibe gị n'anya.
Wepụ mmegbu.
Wepụ ekworo.
Wepụ okwu asị.
Ka gị na mmadụ na–ebi n'udo.
Akụ udo na–adighị,
Abụghị ezi-akụ.

Two sep. tone

**Ọkụ Wee Nyụọ**

**Ọ Gwụla.**



# ỤKA A KPARA AKPA